# NRIANYASỊ IKPÈÀZỤ̀ AHỤ NA GETSEMANE

## Matiu 26:17-46; Jọn 13:1-17; I Ndi Kọrint 11:23-30

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 62 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ezie ọrị a nile nke ayi ka ya onwe-ya bupuworo, ihe-ngbu nile nke ayi kwa, o buruwo ha" (Aisaia 53:4).**

**Ngabiga Ahụ**

Ụbọchị mbụ nke ememe achịcha ekoghịeko bụ́ Ngabiga ahụ, bụ̀ ụbọchị ndị Ju naedebe maka ncheta nke nnapụta ahụ anapụtara ndị bụ nna ha site n'ịbụ orù n'Ijipt ihe dịka otù puku na narị arọ ise garaaga. Anyị chetara na egbuworị nwaatụrụ ahụ, were kwa Ọbara ya tee n'awara ọnụụzọ ha iji nápụta ụmụ ha ndị eburu ụzọ mụọ n'ọnwụ n'abalị ahụ nke mmụọozi ntigbu gabigara n'ala Ijipt. Akpọrọ nwaatụrụ ahụ nwaatụrụ nke ngabiga o wee bụrụ kwa ụdị Jisọs Onye nke gaje ịbịa wụsị ọbara Ya n'ihi mgbapụta anyị. N'otù abalị ahụ egburu nwaatụrụ ngabiga ahụ, ka Ụmụ Israel buliri ijè ha ịbà n'Ala ahụ ekwere ná Mkwà. N'arọ̀ niile nke náesoni ndị Israel naedebe ememe a; ma site n'ugbu a gaa n'iru ọ gaghị adịkwa mkpà, n'ihi na ugbu a ezi Nwaatụrụ Ngabiga ahụ, bụ́ Jisọs n'Onweya, gaje ịnwụ. "N'ihi na achu-kwa-ra àjà-ngabiga ayi bú Kraist (I Ndi Kọrint 5:7). Mgbe awụsịrị Ọbara Ya, ọ dịghị mkpà ọzọ ịwụsị ọbara nke ụmụatụrụ kwa arọ̀.

Jisọs naelezianya mgbe niile idebe iwu na ememe niile nke Chineke nyere ndị nke Ya Ọ rọpụtara idebe; ya mere ugbu a anyị na ahụ́ Ya ka Ọ naejikere maka Ngabiga ahụ. Ọ dịkwa mkwadobe ndịọzọ dị icheiche anaeme ma ewezuga ndị gbasara nwaatụrụ ahụ. Anyị hụrụ na ọ bụ ụbọchị mbụ nke achịcha ekoghịeko. Nke ahụ pụtara na n'oge a ọ dịghị achịcha ha ọ bụla gaenwe ihe náeko achịcha nime ya iji mee ya ka o koo, kama ọ gaadị mbadamba, dịkwa ka biskit nke anaakpọ 'crackers' maọbụ 'wafers.'

**Ihe Náeko Achị cha**

Ihe náeko achịcha bụ̀ otù ụdị nke mmehie n'ihi na ọ bụ ụdị ihe ịmaébù maọbụ iréurè, ọ naabawanye maọbụ náetolite ngwangwa. Jisọs kwuru ihe banyere ya n'ụzọ dị otú a mgbe Ọ sịrị, "Nēze kwa ihe ndi-Farisii na ndi Sadusi, bú ihe nēko achicha" (Matiu 16:6). N'ihi nke a ndị Ju adịghị etinye ihe náeko achịcha nime achịcha ha n'ụbọchị ndị a dị nsọ, ha naakpachapụ kwa anya ịhụ́ na ọ dịghị nke ọ bụla gaadị n'ụlọ ha niile. Anaazachasị akụkụ ọ bụla nkeọma; ha naatụgharị akpa uweha niile iji mara nkeọma na ọ dịghị nke ọ bụla zoro n'ebe ahụ; arịa ndị pụrụ iche ka anaeji eme ihe n'ememe a bụ́ arịa amaara nkeọma na ha dị ọcha pụọ n'ihe náeko achịcha. (Ndị Farisii naelezianya banyere ememe ndịa nke anaahụ́ anya, ma ha adịghị elezianya n'ụzọ dị otú a banyere mmehie nke dị n'obi ha).

Ngabiga ahụ naabụ oge ịñụrị ọñụ n'ihi na eji ya echeta mmeri ahụ emeriri ndị iro ha; ma abalị a bụ nke mwute n'ihi na Jisọs adọwo ha akanántị sị, "Ogem di nso." Ka ha naeri nri Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya na otù onye nime mmadụ irinaabụọ ahụ gaarara Ya nye. Ọ bụ ihe dị óké egwù nye mmadụ irinaotù ahụ ndị náamaghị ihe banyere ya: ọ̀ bụ ihe pụrụ imeeme na onye nweworo ụdị mmekọrịta dị nsọ n'ebe Onyenzọpụta nọ dịka mmadụ irinaabụọ ndịa nweworo, gaeme ụdị ihe dị otú a? Ha enwewo mmetu nke ịhụn'anya na obi ọmiko Ya, ha ahụwo kwa ọlụ Ya niile nke obiọma na ebere. Agwọwọ ndị ọrịa, mee ka ndị nwụrụanwụ dị ndụ, mee kwa ka onye mmehie nwere onweya. Ma ugbu a Jisọs sịrị na otù onye nime ha gaarara Ya nye -- otù onye erewo Ya mkpụrụ ego ọlaọcha iri atọ.

**Iré Onyenzọpụta**

Anyị naamá Judas ikpé dịka onye naarara mmadụ nye n'ọnwụ, dịka mmadụ jọgburu onwe-ya nke náeguzosịghịike. Ma ndị mmadụ n'ụbọchị taa naarara Jisọs nye n'ihe dị ntakịrị karịa nke a. Eleghịanya nwaokoro maọbụ nwaagbọghọ gaesi n'ebe Onyenweanyị nọ chịgharịa n'ihi ịkwaemò nke ndị ya na ha naagụkọ akwụkwọ. Ọ naere Onyenzọpụta ya n'ihi ihe náabụghị ihe. Iyi uwe dị icheiche nke ụwa nwereike ime ụfọdụ ka ha rapụ Jisọs. Lee ụdị ọnụahịa dị ala nke ọ naere Onyenwe ya! Ọ dịghị onye ọ bụla n'etiti anyị nke dị ike nke ukwuu n'ihi nke a anyị aghaghị ịnaeche nche náekpe kwa ekpere ka aghara ịnwa anyị n'ịrara Chineke anyị nye.

**Nrianyasị Nke Onyenweanyị**

N'ọgwụgwụ nke ememe Ngabiga ahụ Jisọs nyere ndị náesoụzọ Ya ememe ọzọ idebe -- Nrianyasị nke Onyenweanyị. Dịka ọ dịrị ndị Ju idebe Ngabiga ahụ náele kwa anya ọbịbịa mbụ nke Kraist, n'otù aka ahụ ka NdịKraist ga náele anya ọbịbịa nke ugbò abụọ Ya mgbe ha so náeme ememe a. Anyị ganaecheta ọnwụ Ya "rue mgbe Ọ ga-abia" (I Ndi Kọrint 11:26).

Pọl naenye anyị ndụmọdụ ụfọdụ dị mkpà banyere idebe Nrianyasị nke Onyenweanyị. Ọ naagwa anyị na onye ọ bụla n'etiti anyị aghaghị inyocha onweya, ọnọdụ nke imemmụọ ya ịhụ́ na o kwesịrị isonye rie ihe niile ahụ eji egosi tebụl nke Onyenweanyị. Mgbe Jisọs nyawara achịcha ahụ nye ndị náesoụzọ Ya, Ọ sịrị, "Nka bu arum"; mgbe O nyekwara ha iko ahụ, Ọ sịrị, "Nka bu ọbaram." Arụ Ya gaje ịnwụ, Ọbara Ya ka agaje ịwụsa n'ihi mgbaghara mmehie niile anyị, tupu abalị ọzọ abịa; ná nrianyasị a, Ọ naewere Onweya n'ụdị nye ndị náesoụzọ Ya. Mgbe anyị bịara ná Nrianyasị nke Onyenweanyị, anyị aghaghị icheta na achịcha ahụ anyị naeri bụ ụdị nke arụ Kraist nke amapuru, mkpụrụ osisi ahụ anyị naañụ naanọchi anya Ọbara Ya. Ànyị pụrụ iso mee ememe ndịa dị nsọ mgbe

mmehie naadị ná ndụ anyị? “Onye nēri nāñu kwa, ọ nēri nāñu kwa ikpé nye onwe-ya ma ọ buru na ọ tulegh aru ahu” (I Ndi Kọrint 11:29). Anyị kwesịrị iji obi dị umeala bịa n’iru Kraist wee rịọ Ya ka O were Ọbara Ya kpuchie anyị ọzọ, ma eleghianya anyị enwewo échìchè ọjọọ megide nwanna anyị, maọbụ na anyị eledawo ijé ozi anyị nye Chineke, maọbụ na anyị ekwuwookwu náezighịezi banyeere ọnọdụ anyị ná ndụ a. Anyị aghaghị ime ka mkwà anyị niile na ijiobichụọàjà anyị dị ọhụụ; ọ bụrụ kwa na ọ dị nghọtahie ọ bụla dị n’etiti anyị na mmadụ ibe anyị, aghaghị idozi ya tupu anyị erie Nrianyasị nke Onyenweanyị.

Mgbe anyị bịara n’ọnọdụ dị otú ahụ, nwee okwukwe na Jisọs, anyị naenweta agbamume nke imemmụọ site n’aka Chineke, ike ọhụụ iji jee ozi, ọgwụgwọ nke arụ̀ anyị ma ọ bụrụ na anyị naarịa ọrịa; anyị ewee ná añụrịọñụ ná nwekọ zuruòkè anyị na ndị nke Chineke. Anyị naenwe ọñụ ná mmekọrịta ahụ dịnsọ bụrụ ndị mechibidoro onweanyị pụọ n’ụwa. Eluigwe naabịaru nso, obi anyị naanụsi kwa ọkụ ike n’olileanya ahụ na Jisọs gaabịa iwepụ ndị Ya Ọ hụrụ n’anya jee n’Oriri Ọlụlụ nwunye nke Nwaatụrụ ahụ. Náemenụ nka “rue mgbe Ọ gābia.”

**Ịsà Ụkwụ**

Ọ ka dị ọtụtụ ọñụ ọzọ akwadoro nye onye Kraist ahụ nke náeme ihe niile Chineke nyere n’iwu. Mgbe ha risịrị nrianyasị ahụ, Jisọs weere ákwà eji ehicha arụ kee n’úkwù Ya wee malite ịsà ụkwụ ndị náesoụzọ Ya. Mgbe Ọ sasịrị ha, Ọ sị, “Ọ buru na Mu Onwem, bú Onye-nwe-unu na Onye-ozizi-unu, sara ukwu-unu, unu onwe unu nēji kwa ugwọ isarita ukwu ibe unu … Ọ buru na unu matara ihe ndia, ngọzi nādiri unu ma asi na unu nēme ha” (Jọn 13:14-17). Jisọs sịkwara, “Ọ buru na unu nāhum n’anya unu gēdebe ihe nile M’nyere n’iwu” (Jọn 14:15), n’ezie nke a bụ kwa iwu. Ọtụtụ ndị okpukpé n’ụbọchị taa ekweghị na ememe a dị mkpà, ma ọ bụ iwu Chineke, “ngọzi nādiri unu ma asi na unu nēme ha.” Ụfọdụ naenye ihe ngọpụ na ọ bụ omen’ala n’oge ahụ ịsà ụkwụ n’ihi na ndị mmadụ na eyi akpụkpọụkwụ sandal, okporo ụzọ niile jupụtakwara n’uzuzu; ma ụdị nsacha ahụ gaabụworị ihe emere mgbe ha batara n’ụlọ ahụ ọ bụghị mgbe ha risịrị nri anyasị ahụ.

**Enweghị Òkè Ọ bụla Na Jisọs**

Pita echèghị na ya kwesịrị ekwesị ka Onyenwe ya saa ụkwụ ya; ma mgbe ọ nụrụ okwu ndịa, “Ọ buru na asaghm i, mu na gi enwegh òkè ọ bula,” ọ zara ngwangwa, “Onye-nwe-ayi, ọ bugh nání ukwum kama akam abua kwa na isim.” Pita chere na ya enyebigawo Chineke onweya; o nwere ịnụọkụ n’obi na ịgbambọ̀ nye Kraist, ma ọ maghị adịghị ike nke ya onweya. N’abalị nke a ka ọ gaje ịgọnarị Onyenweanyị! “Ya mere onye nēche na ọ nēguzo, ya lezi anya ka ọ ghara ida” (I Ndi Kọrint 10:12). Pita ji anyaike kwuwaa okwu na ọ bụrụ na ndị niile ọzọ náesoụzọ Kraist arapụ Jisọs, na ya gaekwesị ntụkwasịobi. N’ihi gịnị, o jikeere ịnwụ n’ihi Kraist! O jighị obi abụọ kwue nke a ma o chèghị nche ma kpee kwa ekpere, ọnwụnwa wee merie ya. Jisọs dọrọ Pita akanántị tupu chi ọbụbọ ọ bụghị náánị na ọ gọnariri Onyenwe ya otù ugbò, kama ugbò atọ.

**Ịnọ N’ụra**

Mgbe ha nwesịrị ezi mmekọ ahụ dị ụtọ, Jisọs chịrị ndị náesoụzọ Ya jee n’Ubi Getsemane ikpeekpere. Ọ gwara mmadụ asatọ nime ha ka ha nọdụ n’otù ebe, wee kpọrọ Pita, Jemes, na Jọn, ndị náanọ Ya nso karịsịa, wee gaa n’iru nke ntà nime ubi ahụ. Ọ gwaworị ndị náesoụzọ Ya na agaetigbu Onyeọ̀zụ̀zụ̀ atụrụ ha n’abalị a, na ha gaagbasasị kwa dịka atụrụ, O gosiwo kwa ha na Ya gaje ịnwụ, n’ihi Ọ sịrị na Ya gaezute ha na Galili mgbe Ya siworo n’ọnwụ bilie. Ma ọ dị ka ha aghọtaghị maọlị ihe Ọ naekwu banyere ya.

Pita, Jemes, na Jọn enwewo ọñụ nke ha na Kraist inwe ezi mmekọ nke ọ dịghị onye ọ bụla ọzọ nwere ya. Ha na Ya nọrọ n’Ugwu Mwogha ahụ, ha hụkwara ebube enyere Ya n’iru ha. Ugbu a onye ahụ naarara Ya nye naabịaru nso, Jisọs wee gwa ha ka ha soro,Ya chee nche. Hà soro Ya chee nche ? O si n’ebe ha nọ gaa n’iru ntakịrị ikpéekpere -- ha wee rarụ ụra! Ndị ahụ nke sịrị na ha gaanwụ n’ihi Jisọs, karịsịa Pita, nọ n’ụra mgbe Onyenwe ha nọ n’ọnọdụ dị óké egwù! Chee échìchè banyere óké ịgbamgbá nke mkpụrụobi na nke échìchè bụ́ nke Jisọs gabigara n’abalị ahụ -- ma ndị náesoụzọ Ya emeghị kwa ka ndị maara ihe banyere ihemgbu Ya.

**Óké Ihemgbu nime Ubi Ahụ**

Nime ubi ahụ ugbu a, Kraist nwere óké ịgbamgbà; n’ebe a ịbụ Chineke dị nime Ya nke siworo n’Eluigwe bịa ịkwụ ụgwọ nke mgbapụta na ụdị nke ịbụ mmadụ Ya nke gaesiworị n’ahụhụ ahụ laa àzụ́ na alụ ọ̀gụ̀. Chineke ezitewo Ọkpara Ya n’ụdị mmadụ ịbịa wụsị Ọbara Ya ka ewee zọpụta anyị; n’imezu ozi Ya n’ebe a, Ọ hụrụ ahụhụ dịka mmadụ ka O wee mara otú Ọ gaesi nyere anyị aka nime ahụhụ anyị. Ma n’abalị a Ọ hụrụ ahụhụ karịa otú anyị pụrụ ịmata mgbe ọ bụla. Chee uche otú o si ewute anyị mgbe anyị mere otù mmehie! Otú ahụ ka Kraist si nwee mwute n’ihi mmehie niile nke ụwa. Anyị kwesịrị ịhụ́ ahụhụ n’ihi mmehie anyị niile, kama Jisọs kwụrụ ụgwọ anyị, wee hụ́ kwa ahụhụ n’ọnọdụ anyị.

Mgbe Kraist hụrụ óké ibuarọ̀ nke mmehie ụwa, Ọ tụpụrụ Onweya n’ala wee tikue Nna sị, “Ka iko a gabigam”, ma Ọ tụkwasịrị ngwangwa, “Ma ọ bugh dika Mu nāchọ, kama dika Gi Onwe-gi nāchọ.” Ọ ghaghị ịñụ iko ahụ, Ọ ghaghị ịhụ́ ahụhụ wee nwụọ n’elu Obe, iji mezue àtụ̀màátụ̀ nke mgbapụta. N’abalị ahụ O weere ọchịchọ Ya niile nyefee n’aka Chineke; n’ebe a ka O meriri óké egwù nke obe ahụ bụ́ nke Ọ maara na o chere Ya n’iru. Mgbe O kpesịrị ekpere Ya Ọ pụrụ iji ntụkwasịobi jee izute onye ahụ náarara Ya nye. O meriworị ílì ahụ nke gaje ịbụ nke Ya na mgbe náadịghị anya. Kama O kpereekpere náánị Ya!

**Náeche Nche Náekpe kwa Ekpere**

Ndị náesoụzọ Ya bụ́ ndị kwewororị mkwà siriike ná hour olenaole garaaga – ha chere na ha niile jikere ịnwụ n'ihi Ya -- ararụworị ụra! Mgbe Jisọs kpesịrị ekpere nke mbụ, wee bịa hụ́ ha ka ha naararụ ụra, Ọ sịrị, "Ùnu di otú a nēnwegh ike isom che nche otù oge hour?" Nke ahụ ọ bụ ịsị ha mee ihe dịkarịrị ukwuu? Ọ dọrọ ha akanántị ka ha náeche nche náekpe kwa ekpere ọ bụghị náání n'ihi Ya Onweya, kama ka ha ghara ịba n'ọnwụnwa. Ì chere na asị na ha chere nche ma soro kwa Jisọs kpee ekpere wee nyere Ya aka site n'okwukwe ha ibú ibu ahụ, na ha gaenweworị ike iguzogide ọnwụnwa ahụ niile nke bịakwasịrị ha n'ikpeàzụ́ n'oge náadịghị anya? Ị̀ hụwo otú o si dị mkpà nke ukwu ichenche na ikpeekpere? Anyị chọrọ ijé ozi, ma ọ naewere karịa náání ọchịchọ ịbụ onye ozi nke Chineke. Anyị aghaghị ịgbalịsiike. "Mọ nke madu di ike n'ezie, ma anu-aru adigh-ike."

Ndị náesoụzọ Kraist nọ n'ụra mgbe ndịiro Ya naabịaru nso. Gịnị ka ha naeme taa? Ọ naewute anyị na ọtụtụ ndị náekwu na ha naeso Jisọs nọ n'ụra nke imemmụọ mgbe mmehie naabata n'uju, náálá ọtụtụ mkpụrụobi n'iyi mgbe ụbọchị mbibi naabịarụ nso. Náání ụzọ anyị nwere iji nweta ike ịlụso iheọjọọ ọ̀gụ̀ bụ site n'ekpere, ịnọgidesiike n'ekpere. Ọ̀ gaabụ na anyị apụghị iso Jisọs chee nche kpee kwa ekpere náání "otù hour"?

**"O! Unu ndi na-asù ude na-enwe nwute, na-akwa kwa akwa n'ihi adịghị-ike-unu, N̄aanụ ntị olu ntà nka, "Ùnu apụghị iche nche otù hour?" eruo ịmị mkpụrụ na ngọzi, ọ dịghị "ụzọ eze" dị; Ike ije-ozi dị nsọ bụ iso Chineke nwee mmekọ."**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ Ngabiga ahụ? Òlee otú Jisọs si mezue ya?
2. Òlee ebe Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha kwadobe maka ya?
3. Òlee ndị soro ya rie Oriri Ngabiga ahụ?
4. Ònye raara Jisọs nye, ọ̀ bụ kwa n'ihi ego òle?
5. Ànyị kwesịrị ime ememe nke ịsa ụkwụ? N'ihi gịnị?
6. Ndị náesoụzọ Jisọs, hà bụụrụ Ya ndị inyeaka n'ogigie ahụ? Gịnị ka ha mere?